# EMUME NGABIGA ỤMỤAKA N'OMENAALA IGBO

**Anthonia Chinyere Ephraim-Chukwu**
**Ngalaba Igbo, Afrịịka na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka**
ac.ephraim-chukwu@unizik.edu.ng
**07030876604**

## Ụmịedemede

Emume ngabiga ụmụaka bụ mmemme ndị ahụ a na-emere ụmụaka n'ala Igbo iji hụ na nwata bụ onye zuru oke dị mma ịnabata n'etiti ọhanaeze. Ebumnobi nchọcha a bụ ka e zipụta emume ngabiga ndị a na-emere ụmụaka n'ala Igbo dị ka ili otubo, ihe na-eso nwa nakwa uru ha bara. Ọ bụghị asị ma e kwuo na omenaala Igbo nọ n'ọnụ ọnwụ, ọ bụ nke a kpalitere mmụọ onye nchọcha a ka e were detuo omenaala ndị a n'akwụkwọ ka ọgbọ na-abịa n'ihu nwee ike gụọ ya n'ihi na imerime ụmụafọ Igbo amaghị ihe gbasara isiokwu a. Ọ bụ eziokwu na ndị ọkammụta dị iche iche edelarịị ọtụtụ akwụkwọ n'omenaala Igbo, mana edemede a na-gbakwasị ụkwụ naanị n'emume ngabiga ụmụaka n'omenaala Igbo iji wepụtacha tịịtịị na rịịrịị niile dị n'emume a. Nchọcha a bụ nke a gbasoro usoro nnyocha mee n'obodo Ọgwụ dị na Steeti Enugwu. A gbara ndị mmadụ ajụjụọnụ iji chọpụta ihe ha maara gbasara emume ndị a ma tụlekwa ihe e derela n'isiokwu a iji kwado ihe a na-ede banyere ya. E jiri atụtụ ọmụmụ ngosiputa ọrụ nke Emile Durkheim wee tụchaa nchọcha a ka e were gosipụta ọrụ emume ngabiga ụmụaka ndị na-arụ na ndụ ndị Igbo. Ka e mechara nchọcha a, a chọpụtara na ihe kpatara ndị Igbo ji eme emume ngabiga ụmụaka a bụ ka o nyere ha aka na ndụ ha ịbụ 'mma ndụ' zuru oke dị mma ibinyere ndị ọzọ n'obodo. Nchọcha a na-atụ aro ka ndị Igbo na-emepụta ejije nakwa ka ndị na-akụ egwu na-ewebata emume ndị a n'ihe ha na-eme, nke a ga-enye aka ime ka ụmụafọ Igbo na-amata maka omenaala ha. Na nchịkọta, ọ dị mkpa ka ụmụafọ Igbo niile nabata ma lọghachi azụ n'ime omenaala ha ọkachasị ndị dị mma dị ka emume a, n'ihi na onye omenaala ya furu, onye ahụ efuola kpam kpam.

Okwu Pụtara Ihe: Emume Ngabiga, Ụmụaka, Omenaala, Igbo

## Ndubanye

A bịa n'ala Igbo, e nwere ọtụtụ emume ngabiga a na-emere mmadụ bido n'oge e bu onye ahụ n'afọ were ruo mgbe onye dị otu a bichara ndụ ya n'ụwa a wee laa mmụọ. Emume ndị a a na-eme ka e kewara ụzọ anọ: emume ngabiga ụmụaka, nke ọgbọ isiagana/ ntoroọbịa, emueme ndị okenye nakwa emume ọnwụ (ili ozu na akwamozu) Ndị Igbo na-eme emume iji hụ na mmadụ bụgidere 'mma' dị na 'ndụ'wee ganye n'ọnwụ, na o nweghị ihe rụrụ arụ batara na ndụ onye ahụ. N'emume ndị a, Igbo maara ihe ha na-eme niihi na awọ anaghị agba ọsọ ehihie n'efu. Igbo anaghị eme ihe naanị ka ha wee mee ihe ahụ, kama ha nwere ọtụtụ ebumnuche ndị sitere na nsirihụndụha ha chọrọ ka ha mezue. Ọ ga-abụ nke a mere Mbaegbu (2012) jiri sị na nsirihụndụ ndị Igbo nke mere ha ka ha pụọ iche n'ebe mba ndị ọzọ nọ bụ nkwenye ha,omume ha,

mmalite ha, ụdịdị ekerechi nakwa ka ha siri wee hazie onwe ha n’ogogo dị iche iche site n’emume dị iche iche ha-eme n’ụwa ndị Igbo.

Onye Igbo ọbụla kwenyere naọtụtụ ihe juputara n’ụwa a, o kwere n’ụwa dị abụọ, ndị a na-ahụ anya na ndị anaghị ahụ anya. Igbo kwenyere naụwa dị okirikiri nke e nwere ọtụtụ ihe n’ime ya, a bịa n’ụwa ndị anaghị ahụ anya, e nwere Chukwu, ndị mmụọozi, mmụọ ndị a na-amaghị mgbe ekere, ndịichie na arụsịga.A bịa n’ụwa ndị a na-ahụ anya, mmadụ bụ isi ebe ehi na-esote ya tupu anụmanụ ndị ọzọ dị ka nnụnụ, ahụhụ, ihe ndị ọzọ enweghị ndụ dị ka ugwu, nkume, maọbụ okwute, ndagwurugwu, ọgba wdg. Igbo maara na Chineke kere ihe niile ndị ọzọ mana mmadụ kacha ihe niile o kere mma nke pụtara ‘mma dị na ndụ’. Nke a abụghị mma a na-ahụ anya (mma anụahụ). Kama ọ bụ mma nke ime ime echiche. N’ọnọdụ maọbụ oge ọbụla mmadụ hụtara onwe ya, o nwerịrị ọrụ a tụrụ anya n’aka ya.E nwere ụfodụ ihe mmadụ kwesiri ime, ya mere e jiri nwee nso dị iche iche. Ihe a mere ndị Igbo ji eche echiche gbasara ihe mmadụ ga-eme na nke ọ gaghị eme.

Nkeji maọbụ emume ọbụla nwere ebumn`uche pụrụ iche mana mgbakọta ọnụ ebumnuche ọbụla bụ mmasị ndị Igbo ịhụ na mmadụ nwere ugwu zuru oke, na mmadụ na-ezu oke na-agakwa n’ihu ịbụ mma dị na ndụ, na mmadụ na-aga n’ihu iwere ọnọdụ dị elu nke onye okike ji aka ya wee nye ya n’ụwa a, n’ikpeazụ iji hụ na mmadụ arụghị arụ wee nwụọ.

Emume ndị a gụnyere: emume ngabiga nwata bụ:ịputa ụwa,ili otubo na ihe na-eso nwa, ịkpụ isi mburupụta ụwa, ibi ugwu, ịgụ nwa aha, ịhụ nwata eze. Emume ngabiga ọgbọ isiagana/ntoroọbịa bụ: ịba mmanwụ, igbu ichi, ịwa akwa, Iru mgbede. Emume ngabiga ndị okenye bụalụm di na nwunye,ichi echichi dị iche iche dị ka ọzọ,lọọlọ nakwa echichi ndị ọzọ. Emume ngabiga nke ọzọdị mkpa na enweghị oge bụ emume ngabiga elimozu na akwamozu.

Emumega na ndụ ndị Igbo gosiri na ihe ọ bụla nọ n’ije, o nweghị nke kwụ otu ebe, ha kwenyekwara na mgbanwe niile metụtara ihe mmadụ nwere ike ime na ndụ a, ha niile nwegasịrị emume gbasara ha.

**Omenaala**

Omenaala bụ nchịkọta usoro obibi ndụ obodo, asụsụ ha, nri ha, usoro iwu ụlọ,usoro ịgba egwu, ngwa egwu ha, usoro alụm di na nwunye ha, nkwenye ha nakwa nsirihụndụ ha. Omenaala Igbo bụ emume ọdịnaala nke ndị Igbo n’ọdịda ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Ọ gụnyere omume ndị gboo na echichi ọhụrụ ndị agbakwụnyere omenaala Igbo site na ekpemekpe ọdịnaala maọbụ site n’ọbịbịa ndị ọcha. Omenaala na ọdịnaala ndị a gụnyere ihe niile ndị Igbo na-ahụ anya, egwu na ngwa egwu, uwe ha, nri na asụsụ olundị. Niihi ọtụtụ mpaghara dịgasị iche iche, omenaala na ọdịbendị na-abawanye.

Tylor (1891) hụrụ omenaala dịka nnukwu ihe nke gụnyere mmụta, nghọta, aka ọrụ, akparamaagwa, iwu obodo, ọdịbendị nakwa ihe ndị ọzọ niile mmadụ nwere ike imenwu dịka onye obodo ahụ. Site n’ihe Tylor kwuru anyị hụrụ na omenaala na-esi n’aka fere aka. Ya bụ na onye Igbo ọbụla ga-agba mbọ ịhafe omenaala Igbo n’aka nwa ọ mụtara site n’asụsụ Igbo.

N’aka nke ọzọ, Nwala (1985) sị na omenaala na-arụtụ aka na ndụ ndị Igbo nakwa etu ndị Igbo siri ghọta ọdịdị ndụ ha, ọgbọrọgbọdọ ndụ. Ọ bụ nchịkọta ihe niile gbasara mmepe obodo n’ala Igbo ma n’okwu ọnụ ma n’omume ha. Ya bụ na omenaala gụnyere n’onwe ya, agụgụ ala, usoro emume ịchụ aja, nnabata mmadụ n’usoroọdịnaala,nkuzi ihe ha (agụmakwụkwọ)ha,na usoro mmekọrịta mmadụ na ibe ya nyere ndị na-etolite n’ụzọ ọdịnaala, ndụ, ntaramaahụhụ onye dara iwu obodo.Ihe ndị a bụ ụzọ e si agbasa ma na-echekwaba ọdịnaala Igbo.

N’ịkwado ihe Nwala kwuru, Bali (1997) sị na omenaala ọha pụtara nchịkọta usoro obibi ndụ ọha. Ya bụ, ọdịbendị ha, nkwenye ha niile, asụsụ ha, usoro echiche na nghọta ha, usoro ihe si emetụta ha n’ahụ nakwa ka ha si akpa agwa, ihe ndị aniile gụnyere omenaala ọha ahụ. O kwukwara na omenaala gụnyere ihe niile mmadụ na-enweta dịka onye ọgbọrọọgbọdọ ahụ.

Site n'ihe ndị anyị depụtara n'elu ebe a, anyị ga-aghọta na obodo ọbụla nwere omenaala ha nke gụnyere:asụsụ, nsirihụndụ, nkwenye, nghọta, aka ọrụ, akparamagwa, iwu obodo, ọdịbendị, nha ihe n'aka ọgbọ ọzọ, nkụzị na ịmụta ihe (agụmakwụkwọ)mmepe obodo, akụkọ ala, emume, ịchụ aja na ntaramahụhụ dịrị onye dara iwu obodo. Ihe ndị a niile bụ omenaala ndị nke ha ji ebi ndụ ha, ha na-ahafekwa usoro obibi ndụ a n'aka ọgbọ na-etolite etolite ka e were nwee ndị na-eme omenaala ndị a n'ọdịniihu.

**Atụtụ ngosipụta ọrụ**

Atụtụ a ga-eji tụchaa edemede a bụ atụtụ nke nwoke a kpọrọ Emile Durkheim wubere nafọ 1964. Nwaamadị a gosipụtara mpụtara atụtụ ngosipụta ọrụ n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ ikewagasị ọrụ n'ọgbọrọgbọdọ (ọha/obodo)n'otu puku afọ, nariịtolu na iri isi na anọ. (*Division of Labour in Society*) O jiri atụtụ ngosipụta ọrụ wee nyochaa ọtụtụ ihe n'ọgbọrọgbọdọ site na ịjụ ọrụ ihe ọbụla na-arụ iji hụ na e nwere udo n'ọgbọrọgbọdọ ahụ. Durkheim chọpụtara na ewumewu niile mebere ọgbọrọgbọdọ nwere ọrụ ha na-arụgasị. Ọ sị na oge ọbụla ewumewu ndị a arughịzị ọrụ a tụrụ anya ka ha rụọ, mara na ewumewu ahụ anwụla, o kwesịrị ka e wepụ ya n'ọgbọrọgbọdọ ahụ. Nwaamadị anyekwara ọmụmaatụ ewumewu ndị a dịka: ekpemekpe, alụm di na nwunye, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, omenaala na usoro ọchịchị. Onye nchọcha ji atụtụ a egosipụta ka emume ngabiga ụmụaka si nye aka were mee kaobodo Ọgwụ dị n'udo ọkachasị n'oge ochie mgbe akụnaụba ala ha hibere isi n'ihe a na e nweta n'ala. Ọtụtụ ndị ọkammụta na ndị nchọcha edeelarị maka atụtụ ngosipụta ọrụ. Otu onye n'ime ha bụ Coser (1967) Ọ si "mgbe ọbụla e nyere nkọwa maka ihe mgbagwojuanya, anyị ga- agba mbọ chọpụta ihe kpatara ihe ahụ ji diri nakwa ọrụ ihe ndị ahụ na-arụ".

## Mmadụ na nghọta ndị Igbo

N'ebe onye Igbo nọ, e nwere ihe ka mmadụ nke kere ụwa na ihe niile dị na ya nakwa mmadụ. Igbo kwenyere na Chineke kere mmadụ ma nye ya onyinye pụrụ iche nke mere ka ọ nọrọ na ọkwa dị elu karịa ihe niile ndị ọzọ Chineke kere. N'ụzọ ọzọ, Igbo kwenyere nan'ime ihe niile dị ndụ, ọ bụ mmadụ weere ọnọdụ kasị ọnọdụ n'ụwa,ọ bụ ya mere ha jiri kpọọ mmadụ "mma ndụ". Aha a pụtara okwu abụọ nwechara nghọta 'mma' na 'ndụ'. Site n'ịkpọkọta okwu abụọ a ọnụ ka e jiri nwee ndapụ myiriụdaume 'n', okwu a wee bụrụ "mmadụ". Ihe okwu a bụ mmadụ pụtara n'echiche ndị Igbo bụ na mmadụ kacha maa mma, dị oke ọnụ, nwee ugwu n'ụwa ndị Igbo. Ọ bụ ya mere ha ji eme emume ngabiga dị iche iche iji mee ka mmadụ dịrị mma na-aga n'ihu, site n'iwere ọnọdụ kasị ọnọdụ n'ime ụwa. Emume ngabiga pụtara ọtụtụ emume ndị na-enyere mmadụ aka ịnọgide n'ọkwa dị elu na ugwu dị elu nke Chineke nyere ya n'emerụghị onwe ya ganye na onye dị otu a ala mmụọ.

## Emume ngabiga

Emume ndị a dị ụzọ atọ, ụfọdụ bụ emume nnabata. Ọ na-enyere mmadụ aka ịbụ onye zuru oke isonye n'otu ndị mmadụ maọbụ ndị anaghị ahụ anya dị ka ili otubo na odogwu, ịgụ aha, igbu ichi, ịwa akwa.E meghị ihe ndị a ga-eme ka onye dị otu ahụ bụrụ mmadụ ezughị oke. Ụfọdụ bụ emume nkewa, echiche dị n'emume a bụ ikewapụta mmadụn'otu maọbụ mmekọ na ndụ ya gara aga n'etiti ndị dị ndị na ndị nwụrụ anwụ dị ka ịkpụ isimburupụtaụwa.Ụfọdụ emume ngabiga ndị a bụ ndị na-enyere mmadụ aka ikwesi nnabata ebe ọbụla ọ ga-anọ.Nke a ka akpọrọ emume ngafe dị ka ịpụta ụwa nke ọma, ipu eze, ili ozu, akwamozu.E wezuga emume dị etu a, onye dị etu ahụ agaghị enwe ike irute ebe o nwere ike irute.

**Ịtụ ime ruo ọmụmụ nwa**

Onye a gbara ajụjụ ọnụ bụ Alibisi kwuruna nke a bụ ọgba e nwere ọtụtụ emume ngabiga nke nwaanyị dị ime na-eme, ndị ọzọ na-emekwa emume dị iche iche n'oge a bụ ikwu na ibe nwaanyịdị ime nakwa nwa ebu n'afọ n'onwe ya. Ọ sịrị na a na-agbachi meruo emume a n'isi ka a ghara inwe ihe ọbụla nke ga-egbochi nwa ga-abịa ụwa izu oke na mmadụ.

Nwaanyị a gbara ajụjụ ọnụ bụ Nkalelekọwaaranan'akụkụ nke nwaanyị dị ime, ozugbo ọ chọpụtara na ya dị ime, ọ ga-amalite sọwa ihe ụfọdụ nsọ dị ka nwaanyị ime. Emume maọbụ nso niile nwaanyị dị ime na-asọ bụ iji nye aka ka ọbara ahụ na nwa kpakọnata nke ọma n'ime afọ n'oge mmalite afọ ime iji hụ na e nweghị ọlụsị. O kwukwara na ihe ndị nwaanyị dị ime na-asọ na-enyere nwa nọ n'afọ aka n'izu oke n'ahụ site n'ịdị mma ile anya na enweghị ntụpọ. Ụfọdụ nsọ ndị ahụ nwaanyị ime na-asọ gụnyere: Ọ bụghị nri ọbụla ka ọ ga eri, ọ gaghị na-ege akụkọ ọjọọ ya bụ akụkọ ruru unyi, ya na nwoke ọzọ na abụghị di ya agaghị enwe nwekọ. Ọ gaghịkwa ahụ ihe jọrọ njọ dị ka mmọnwụ maọbụ ozu. Ndị Igbo kwenyere na nwa nọ n'afọ na-esere ihe ọbụla nọdewere ya nso. Anyị ga-aghọta nke a dị ka ihe mere n'ọtụtụ oge, nwaanyị dị ime na achọ ị nọdewe onye mara mma nso, nke a bụ iji mata ma nwa ya ọ dị ime ya ọ ga-eyi onye ahụ mara mma. Ihe a Nkalele bụ Onye a gbara ajụjụ ọnụ kwuru dabara n'ihe Mbiti (1969) dere. O kwuru n'ọtụtụ obodo n'Afrịka, a na-agwa nwaanyị dị ime na-asọ iri ihe dị iche iche, ụfọdụ ihe ọ na-asọ bụ makana ime ọ dị mere ya ka ọ ghara ịdị ọcha,ma nke kachasị mkpa bụ na ihe ọ na-asọ bụ maka ọ dị mma ya na nwa o bu n'afọ.Nwaanyị ọzọagbara ajụjụ ọnụ bụ Mgborie kọwara na emume ndị a nwaanyị ime na-eme iji hụ na ọ mụrụ nwa zuru oke na mmadụ gụnyekwara

Ịsọ iri Ejula: nke a na nkwenye ndị Igbo bụ ka nwata ahụ ghara ịdị na-agụsịsị asọ mmiri oge a aga-amụ ya. Nwata nne ya riri ejula mgbe ọ dị ime ya nwekara ike ghara ịdị na-emesị ihe ike ma a mụọ ya. Mana anyị lee anya, nke a abụghị eziokwu. Ejula bụ anụ so n'ihe nwaanyị ime kwesiri iri makana ọ na-enye ọbara ma na-eme ka ọkpụkpụ nwata sie ike.

Ịsọ iri Osikapa kwa ụbọchị: nke a na-ewetara nwa ebu n'afọ obo n'ahụ ya niile oge a mụrụ nwata ahụ. O kọwara na nwaanyị ime na-akwụsịkwa oke ọrụ maọbụ ibu oke ibu/ihe dị aro. Oke ọrụ ga-eme ka ọbara baa nwata ahụ n'anya nke a nwere ike ime ka nwata ahụ ghara ịdị na-ahụcha ụzọ nke ọma ma amụọ ya. Ebe oke ibu nwere ike mee ka afọ ime ahụ pụọ.

Nwoke a gbara ajụjụ ọnụ bụ Nwangelike kwuru naihe ndị a nwaanyị ime na-asọ mere na ikwu na ibe ya nwekwara oke na ọrụ n'ebe ọ nọ. N'akụkụ nke ha, e nwere emume ha ga-eme n'aha nwanne ha dị ime nakwa n'aha nwa ebu n'afọ.Ọbụkwa otu ebumnuuche ahụ bụ ime ka nwa ebu n'afọ bụrụ onye zuru oke oge a mụrụ ya. Ụfọdụ emume ndị a gụnyere ihe ndị a dị ka Ibeka siri kọwaa:

Ịchụrụ ndịichie na alụsị dị iche iche dị n'ebe a mụrụ nwaanyị na na be ndị di ya aja ọmụmụ n'aha nwaanyị ime na nwa ebu n'afọ. Ihe a ka Mbiti (1969) kwuru sị na o nwere ụfọdụ obodo ebe a na-achụ aja ka nwaanyị dị ime were mụọ nwa n'udo nakwa ahụike nke ya na nwa ya ma ọ mụcha nwa. Ha na-enyere nwaanyị dị ime aka n'ụzọ ọbụla ịhụ na ọ rụghị ọrụ siri ike. Ịmaatụ, a gaghị ekwe nwaanyị dị ime ka o buo ibu dị

aro maọbụ mee ihe siri ike dị ka ịwa nkụ, ịsụ akwụ, ịsụ nri, ịnya oke okụ sitere n'ihe dị ka ighe garị wdg.

Onye a jụrụ ajụjụ bụ Mgbechi kwuru na o zuru Igbo niile ọnụ bụ na ana-elezi nwaanyị dị ime anya nke ọma. A naghị agwa ha ajọ okwu, e nweghịkwa onye na-ajọsa nwaanyị ime njọ. Iji maa atụ, mmadụ nwere ike nwee naanị otu ụdara, ọ bụrụ na nwaanyị ime arịọ ya ụdara ahụ, ọ ghaghị inye ya. Ndị Igbo kwenyere na ihe ọbụla e nyere nwaanyị ime bụ nwa ọ dị ime ya ka e nyere ya iji nyere ya aka ka o wee mee ọfụma n'ime afọ. O kwukwara na a naghị ekwe ka nwaanyị ime rụọ ọrụ siri ike, ọ ga-esi ike n'ala Igbo n'oge gboo ka mmadụ hụ nwaanyị ime ebe ọ na-arụ ọrụ siri ike ghara inyere ya aka. Ebe a ka okwu ahụ a na-ekwu na Igbo bu onye nche nwaane ya pụtara ihe nke ọma.

Dị ka anyị siri mara ugbu a site na ihe amụmamụ sayensị na ejula bụ anụ dị mma ma na-enyekwa ihe dị mma n'ahụ, o kwesịghị na nwaanyị dị ime ga-asọ ya makana ọ bụghị ejula na-eme ịgụsị asọ mmiri kama ọ bụ ihe nwata ga-akwụsị ma o tolite mara na ọ ga-emechie ọnụ ya emechi. Dị ka atụtụ ngosi ọrụ kwuru sị na mgbe emume enweghịzị ihe ọ na-arụ, e kwesiri ka a kwụsị emume ahụ. Ndị Igbo kwesiri ịkwụsị ịchụ aja ọmụmụ n'arụsị dị iche iche maka nwaanyị dị ime na nwa ya ma hapụkwa ịmanye ya ka ọ na-asọ ihe ndị na-enyere ya aka inweta ọbara dị ka ejula, maọbụ osikapa. Kama osikapa ahụ ga-abụ nke e jiri ụmụurughuru ihe na-enye ihe n'ahụ wee sie.

## Ọrụ nwata e bu n'afọ

Nwaanyị a gbara ajụjụ ọnụ bụ Agbidi kwuru na nwata e bu n'afọ nwekwara ọrụdịịrị ya ọ ga-arụrụ onwe ya, ọ kachasị mgbe ọ na-akwado ịbata n'ime ụwa. Ọtụtụ emume ndị a bụ iji gosipụta n'ezie na ya bụ mmadụ ebughị arụ maọbụ ihe ala sọrọ nsọ iji kpochapụ ndị nọ n'ụwa wee na-abịa. E meghị emume ndị a ga-ewetara nwa na-abịa ụwa ịla n'iyi niihi na nwaanyị na-eji ime nwere ikikere ịpịgbu ya ma kọọrọ ụwa na nwaanyị mụrụ ozu nwa. Ọ sịrịnaụfọdụ emume ndị a nwa ga-eme ka ụwa wee baa ya gụnyere:

**Iji Isi pụta ụwa**: Onye ọbụla na-abịa n'ụwa ga-ejirịrị isi pụta ọ bụghị ụkwụ. Iji isi pụta ụwa na-egosi umeala, obiọcha na udo. Mgbe nwata na-abịa ụwa were ụkwụ pụta, ọ na-egosi ajọ obi, ọ bịara ụwa igbu nne ya. Onye dị otu ahụ achọghị udo n'ezinaụlọ ahụ ọ na-abata niihi na o mere arụ.

**Ikpudo ihu n'ala**: O kwukwara na ọ bụ iwu na nwabịara ụwa ga-ekpudo ihu n'ala iji gosipụta nsọpụrụ nyere ala. Ihe ọ pụtara bụ naebe ọ bụ ala na-ahụ maka ọmụmụ, nwa na-abịa ụwa echeghị ya ihu anaghị egosipụta nsọpụrụ nyere ala niihi ya nwa dị otu a ekwesịghị ndụ. A bịa n'ihe gbasara sayensị, a ga-asịnaọbụ iji hụ na mmiri ọjọọ erunyeghị nwata na imi niihi ya o nwere ike mee nwata ahụ ka ọ nwụọ.

**Ịkwa akwa**: Chihanwa kọwara nanwa bịara ụwa ga-akwarịrị akwa ozugbo amụpụtara ya. Nke a na-egosi na ọ bụ mmadụ dị ndụ, ya mere na ụfọdụ oge a mụọ nwa ma o beghị akwa, emee ya ihe akwa. Emecha ya ihe akwa ma o beghị akwa, e nwezịrị ike tufuo ya. Ọ ga-abụ nke a mere Basden (1921) jiri kwuo sị na n' ọtụtụ obodo n'ala Igbo, ọ bụrụ na a mụọ nwata ma o besighị akwa ike, ọ bụrụ onye nwụrụ anwụ.

**Ịbịa ụwa ụbọchị kwesịrị**: Chihanwa kwukwara na ndị Igbo kwenyere na e nwere ụbọchị nwa ọbụla nwoke na nwaanyị kwesịrị ịbịa ụwa. Ịmaatụ: nwoke na-abịa ụwa Ekena Afọ ebe nwaanyị na-abịa ụwa Orie na Nkwọ. Niihi ya onye abịaghị ụwaụbọchị o kwesịrị, adịghị mma ịnọ n'ụwa nke obodo ahụ. Site n'ihe anyị maara maka sayensị

ọmụmụ, ọtụtụ ihe nwere ike ime ka nwata ghara iso ezi usoro were pụta ụwa, dị ka ọ bụrụ na ihe na-eso nwa kee ya n'olu ma ọ bụ n'ụkwụ, ihe na-eso nwa ibu ụzọ pụta, anyị maara na ihe ndị a bụ ekerechi na-eweta ha, ọ bụghị nwata na-abịa ụwa mere. Niihi ya, ebe a chọpụtagoro na ọ dịghị nwata n'aka ikwu etu ọ ga-esi apụta ụwa, ụbọchị a ga-amụ ya maọbụ na nwata ebeghị akwa nke nwere ike site n'ike ọgwụgwụ,ọ dị mkpa ịgbaso ihe atụtụ ngosi ọrụ kwuru site n'ịhụ na Igbo wepụrụ ihe ndị a dị ka ihe ha ji elegara nwata anya dị ka onye ajọ obi maọbụ onye ga-adị umeala.

**Emume Ngabiga nke Ụmụaka Kpọmkwem**

Oyibo bụ nwoke a gbara ajụjụ ọnụ kọwarana emume ngabiga ụmụka kpọkwem na-ejupụta na mmemme nke e ji egosi na nwa bịara ụwa dị ọcha, zuo ezuo n'enweghị ntụpọ ọbụla. Ọtụtụ emume nwata na onwe ya na-eme bụ iji gosipụta nke a. N'aka nke ọzọ, e nwekwara emume nke ndị nne, nna, ndị ikwu na ibe na-emere nwata iji nnabata ya n'ụwa nakwa n'otu ebe a mụrụ ya. O kwukwara na emume niile ndị a gụnyere ndị nwata na-emere onwe ya na ndị nne na nna maọbụ ikwu na ibe na-emere nwata. Ụfọdụ emume nwere ike bụrụ emume nnabata maọbụ nkewa. Ụfọdụ oge otu emume nwereike ịbụ maka ha abụọ.

Ụfọdụ emume n'ọgba gụnyere:

Ili otubo na ihe na-eso nwa (odogwu) (*burial of umblical cord and placenta*)

Ibi ugwu (*circumcision)*

Ịgụ aha/Ikupụta nwa (*naming ceremony/outdooring ceremony)*

Ịhụ nwata eze (*cutting of natal teeth*)

**Ili otubo na ihe na-eso nwa (Odogwu) (*Burying the umblical cord and placenta)***

Nwangelike kọwara naabịa n'omenaala Igbo, ọ bụrụ na a mụcha nwa, o nwere ihe ọzọ a na-amụpụtakwa nke a na-akpọ odogwu (ihe na-eso nwa). Ọ bụ odogwu na-echedo nwa. Ya mere na mgbe nwaanyị mụchara nwa, a naghị ahapụ odogwu ka o ree ure maọbụ laa n'iyi n'elu ala. O kwuru na ndị Igbo na-agba mbọ ịhụ na e liri ya eli, ha anaghị ahapụ odogwu ka o ree ure siwe isi n'elu ala niihi na nke a ga-abụ ibutu ugwu mmadụ n'ụdị nke anụmanụ. Makana ọ bụrụ na a hapụ ya n'elu ala, nkịta maọbụ ụmụ ahụhụ ụfọdụ nwere ike rie ya ma mee ka ugwu mmadụ kpụọ n'ala.

Ekedimma siri naabịa n'obodo Ọgwụ ọ kachasị n'oge ochie, odogwu na otubo na-enyere nwaanyị aka inweta osisi na-amị ego (erimala). A na-agba mbọ ịhụnaeliri odogwu maọbụ otubo n'ukwu otu osisi a chụta ego dị ka ụkwa, nkwụ, akụ oyibo, ube, ogbono, akụ ilu,oroma wdg. Emume a ka e ji adọtara nwa ọhụrụ osisi dị otu ahụ niihi na osisi ahụ aghọọla nke ya. Ihe gbasara otubo, ndị Ọgwụ nakwa ọtụtụ obodo n'ala Igbo na-eji ya akpanye nwaanyị akụ maka na nwaanyị na-agba mbọ ichekwaba ya ma asịgodu na ha bi na mba dị anya n'obodo ha o wee mụọ nwa, e mecha, ha ezilata ya n'ụlọ ebe ha ga-eji nwayọọ n'anya doro edo wee lie ya n'ukwu osisi ọbụla na-enye akụ.

Ka o sila dị, ukwu osisi ọbụla nke ha ga-ahọrọ ga-abụ nke di ya maọbụ nna di ya kwadoro.nwaanyị na-eme ọfụma, a ga-egosi ya osisi dị ezigbo ndụ nke ga-amịta ezigbo mkpụrụ. Ma ọbụrụ ajọ nwaanyị e gosi ya osisi ume adịghị ka o lie odogwu/otubo nwa ya.

**Etu nke a si emetụta ndụ nwata**

Uzummakọwara na osisi gbasiri ike na-egosi otu nwata ahụ ga-esi eto, ọ ga-agbasi ike, mara ihe nke ọma ma nwee ego (akụ na ụba). Osisi nke adịchaghị ndụ na-egosi enweghị ndụ na agamnihu nwata ahụ. Emume nke a bụ emume nnabata, e ji ya anabata nwata n'ezinaụlọ a mụrụ ya ma jirikwa osisi na-amị ego e liri odogwu/otubo ya were na-akwado nwata maka agbam mbọ dị n'ụwa maka ihe ọ ga-eji bie ndụ.

N'oge ugbu a, akụnaụba n'Igbo nke Ọgwụ bụ otu n'ime ya ehibeghịkwa isi na erimala na ihe a kọpụtara n'ala niihi a na-agụzị akwụkwọ, na-azụ ahịa ma na-amụkwa ọrụ aka dị iche iche. Nke a mere na ndị mmadụ na-ahapụ obodo ha ga biri n'obodo ọzọ dị iche iche na-akpata ihe ha na-eri. Ha eweghịzikwa ili otubo na odogwu n'ukwu osisi na-amị ego dị ka ihe bara uru etu ọ dị n'oge ochie. Ebe anyị hụrụla na ihe agbanwuola, dị ka Durkhiem (1964)kwuru, oge ọbụlaewumewu arụghịzị ọrụ okwesiri ịrụ, a ga-ewepụya n'obodo ahụ. Ya bụ na ebe ili otubo na odogwu n'ukwu osisi na-amị ego iji dọtara nwata akụ abụghịzị isi akụ ndị Igbo n'oge ugbu a, o kwesiri ka a kwụsị emume a.N' agbanyeghị nke a, ọ dị mkpa ka a kuziere ọgbọ a na ọ dị mma bụ ili ihe ndị a n'ala ka anụ maọbụ mmadụ ghara iri ya eri makana nke a bụ ibutu ugwu mmadụ n'ala.

**Ibi ugwu**

Ejilekana nkọwa sịrị na ibi ugwu bụ emume ngabiga nke omenaala kwuru na onye ọbụla ga emeriri. O kwuruna ọ bụ emume a na-emere nwata ka o were bụrụ ezi nwa amala n'obodo Ọgwụ. Ọ bụrụ nwoke, ihe ọ pụtara bụ ibechapụ anụ ahụ ọnụ utu ya. Ọ bụrụkwanụ nwaanyị, a na-ebepụ ọtụ ya, ọ bụ nkwenye ndị Igbo na nwata nwaanyị ebiri ugwu tolite, ọ gaghị ebi ndụ ka nkịta. Mana Ogbalu (1979: 25) siri na "ugbu a site na nchọpụta ndị dọkịta na nkwusa ndị ụka na ọ dịghị uru ibi nwaanyị ugwu bara nke a mere ịta ahụhụ ibebe ha ugwu adịghị mma, akwụsịla rinne ịdị na-ebi ụmụ nwaanyị ugwu n'ọtụtụ ebe". Achebe (1958) kwuru na mgbe Ekwefi mụrụ nwa nke atọ e biri ya ugwu n'ụbọchị nke asatọ. Ọ kọwakwara na ọ fọdụrụ abalị ka a gụọ nwa ahụ aha tupu Ekwefi e si be nna ya lọta na be Okonkwọ. Ihe ndị a na-egosi na emume ndị dị nnukwu mkpa n'omenaala Igbo.

Ejileka kwukwara na mkpokọta ihe niile, nne na nna na-emere nwa a mụrụ ọhụrụ emume a. Naanị n'obodo ole na ole ka a na-emere okenye emume dị otu a. Ihe ọ pụtara bụ na emume a bụ emume ngafe nakwa nke nnabata. Ọ bụ emume ngafe niihi na nwata maọbụ ntoroọbịa ahụ na-agafe n'ọkwa onye ebighị ugwu banye na nke ndị ebiri ugwu, ebe onye mere emume ibi ugwu na ntoroọbịa na-abanye n'ọkwa okenye. Ọ bụkwazị emume nnabata niihi na a na-anabata ntoroọbịa ahụ n'ọkwa okenye. Mgbe a na-eme ya na mmalite agbala maọbụ ngwụcha ọkwa agbọghọ, ebumnunobị bụ ịkwado onye dị otu ahụ maka ndụ idi ihe mgbu nke ịmụ nwa (ịbụ nne maọbụ nna).

Nwiino n'aka nke ya kwuru naabịa n'ala Igbo,ibi nwata ugwu na-abụkarị n'ọba ji niihi na e were ọba ji dị ka ebe dị ọcha nke mmụọ ọjọọ na ọrịa ọjọọ anaghị abata. Ọka ugwu na-abịa n'ọnụ ụtụtụ mgbe anyanwụ apụtachabeghị,ọ na-eji ngwa ọrụ ya gụnyere agụva na ọgwụ dị iche iche wee bịa ebe ndị a na-ebi nwa ha ugwu ga-eweta mmiri dị ṅara ṅara na ude akụ.

**Usoro e si ebi ugwu**

Nwiino kọwara nanne ochie maọbụ nne nna nwata ahụ ga-eku nwa a na-ebi ugwu n'apata ụkwụ ya were gbakpo onunu e gwuru ọbara ga-abanye ngada. Mgbe ahụ onye ọka ugwu ga-amalite ọrụ ya, mgbe ọ na-ebi ugwu ahụ, ọ ga-eji mmiri ahụ dị ṅara ṅara na-asachapụ ọbara na-agbapụta n'ahụ nwata. A na-emekwa ka ihe niile e bepụtara banyecha n'onunu ahụ e gwuru, e bicha ugwu, a na-eji nwayọọ kpochie olulu ahụ nke ọma iji hụ na anụ erighị ya maka na ọ ga-abụ ịkpụ ugwu "mma ndụ" n'ala ma ọ bụrụ na a hapụ anụ ka o rie anụ ahụ mmadụ. Ọ bụ eziokwu na emume a bụ emume nnabata site n'ịtụnye akụkụ anụahụ mmadụ n'ime onunu, ọ bụkwa iweta mmekọrịta nwata ahụ na ndịichie, ya mere na emume ngabiga a dị ezigbo mkpa na ndụ onye Igbo ọ bụla. O nweghị onye na-echefu ya.

N'oge ugbu a, anyị chọpụtara na ọ bụ ndị nọọsụ na-ebi ugwu n'ụlọgwụ ebe a mụrụ nwata, ya bụ na ọ dịghịzị mkpa emume a n'ime obodo. Mana ọ dịkwa mma ka ọgbọ a mara mkpa ibi nwoke ugwu dị na ndụ ndị Igbo ma matakwa na ọ dịghịkwa mkpa ibi nwaanyị ugwu. N'ihe niile,ọ dị mkpa ka onye ọbụla mara naụfọdụ ụlọọgwụ ugbu a na-eresịkwa ndị ọgwụ ego ihe ndị a e bepụtara n'ugwu. Ya mere na onye e biri nwa ya ugwu ga-amụrụkwa anya ka azụ.

**Ịgụ nwa aha / Ikupụta nwa**

Ịgụ aha bụ emume ngabiga nke abụọ n'omenaala Igbo nke a na-emere mmadụ n'abalị ole na ole e jiri mụọ onye ahụ.N'emume a, nne na nna nwa a mụrụ ọhụrụ na-enye nwa ahụ aha nwere mpụtara dị mma. Ebute kọwara na nke a bụ ezigbo emume ngabiga dị nnukwu mkpa nke ndị nne na nna na-emere nwa ha. N'obodo Ọgwu nakwa ụfọdụ ebe n'ala Igbo, a na-eme ya n'izu asaa e ji wee mụọ nwa. Ọ sịrị na ihe mere e ji eme ya n'izu asaa abụghị ihe siri ike ịkọwa; ọ bụ mgbe nwaanyị mụrụ nwa ga-eji sie ike ije ozi dị n'ụlọ.Mkpụrụ ụbọchị asaa ụzọ anọ, na-egosi na nwata ezuola oke ịnọ n'ụwa. Ọ ga-enyere nwaanyị aka ime emume mwụcha/nsacha ka o wee nwee ike ịnụ n'ọkwa ya na ndị mmadụ imekọrita.

Ọ ga-abụ nke a mere mere Ubesie (1978:77) kwuru na"nwaanyị mụchaa nwa n'ala Igbo, e nwere emume ụfọdụ a na-eme tupu nne ya amalite iso ụmụ nwaanyị ibe ya pụtawa ezi. Emume a dị mkpa nke ukwuu, maka na ọ bụrụ na e meghị ya, a nabatabaghị nne na nwa n'ọha obodo".

Ugwoevi kwuru na a ga-amata na abịa n'obodo Ọgwụ, a naghị enye nwa ebu n'afọ aha. Nke ọzọ dị ka ibe ya bụ na a naghị aba nwa aha tupu izu asaa e ji mụọ nwa ahụ. Aha a na-enye ozugbo a mụrụ nwa na-abụkarị aha ahịa ụbọchị a mụrụ nwata ahụ. Ihe kpatara nke a bụ iji mete agwụ nne ahịa ahụ enyi ma mee ka ọ na-echedo onye ahụ. Ọ bụ nke a wetere aha niile ndị a, Nweke, Nworie, Nwafọ, Nwankwọ, Mgbeke, Mgbọrie, Mgbafọna Mgbọnkwọ, Okeke, Okorie,Okafọ na Okonkwọ n'ala Igbo dum. Ihe a Ugwoevi kwuru dabara na nke Ubesie (1979:73) dere,"ụbọchị ahịa anọ ka ndị Igbo nwere; Eke,Orie, Afọ na Nkwọ. A mụọ nwata na Nkwọ, e nwere ike ịkpọ ya Nwankwọ sma ọ bụ Okonkwọ. A mụọ ya n'afọ, e nwere ike kpọọ ya Nwafọ ma ọ bụ Okafọ … na aha ndị ọzọ na-egosi ụbọchị ahịa Igbo a mụrụ ha n'ime ya".

Mgbavọ kọwara na ọ bụ ụbọchị nke iri abụọ na asatọ e ji mụọ nwa maọbụ ozugbo ọ gafechara, ka e ji agụ nwa aha. Ma tupu oge a ga-eji gụọ nwa eruo, nne mụrụ nwa ahụ nke nọburi n'ọmụgwọ kemgbe izu asaa, na-ama ụzọ gaa na mmiri na-ekwo ekwo. O nwekwara ikejide ihe ọ ga-eji kuru mmiri,ya na ụmụaka ga-eso ka o wee gaa saachaa ahụ. Mgbe ha rutere na mmiri, ha ga-akwụ n'akụkụ mmiri ahụ, otu nwata ga-abịa were

otu mkpisi aka ya, nwaanyị ga-amakpulata ala. Ọ ga-ewere aka ya na-emetụ na mmiri wee na-agụ otu, abụọ, atọ, wee ruo n'asaa. Mgbe o ruru n'asaa, ọ ga-akwa nwaanyị ahụ obere aka o were wụbanye nammiri ahụ wee saa ahụ ya nke ọma. Mgbavo kwuru na ahụ a ọ na-asa na mmiri na-egosi na ọ dịla ọcha ịsonyekwa n'ihe niile ọ na-emebu na mbụ dị ka isiri di ya na ndị ọzọ ihe oriri, ije ahịa, ọrụ ugbo, mgbaru wdg. Ụmụaka so bịa na mmiri ga-asakwa ahụ ha, ha sachaa, nwaanyị mụrụ nwa ga-eyiri akwa ọhụrụ di ya gooro ya na ihe ejiji ndị ọzọ e ji achọ mma. E mechaa, o kuru mmiri n'obere arịa ọ ga-ebunwu a ga-eji saa nwa ya ahụ mgbe ọ lọtara n'ụlọ.O siri na mmemme a bụ ime ka nwaanyị ahụ mụrụ nwa ọhụrụ bụ onye e were na ọ dịghị ọcha kamgbe izu asaa gara aga dịkwa ọcha ọzọ ma nọdụ n'ọkwa isonyekwara ụmụ nwaanyị ndịọzọ n'ihe ọbụla ha na-eme n'obodo.

Nweke Chukwuogele kwuru naọtụtụ mmadụ ka a na-atụ anya ha n'ụbochi ahụ: ndị enyi, ibe nne na ibe nna, ikwu nne na nna na ndị niile na-echere ezinaụlọ ahụ echiche ọma na-abịacha. Ebe a na-anọ agụ aha n'omenaala Igbo bụ n'obi nna nwe ụlọ (dinweụlọ). Ọ kọwakwara ihe kpatara nke a bụ na obi bụ ebe ndịichie na-abata ma na-anọ oge ọbụla, ọ bụ ebe nzukọ mmụọ na mmadụ niile so mebe ezinaụlọ ahụ, (ndị nwụrụ anwụ na ndị dị ndụ na ndị a ka ga-amụ n'ọdịniihu). Ya mere na ha na-eme ya ebe a maara na ndịichie so ha nọrọ. A na-eme ya iji nnabata nwata n'otu ndị dị ndụna ndị nwụrụ anwụ. Nke a mere na aha a bara nwata na-anọ ọnọdụ ka akara nhụbaama nke ndịdị ndụ na ndị nwụrụ anwụ ji amata nwata. Onye ọ dịịrịsịba nwata aha site n'ịkpọpụta ya ka ndị nọ ebe ahụ nụ ya na-abụkarị onye kasị bụrụ okenye maọbụ onye kasị chie echichi na ngwuru, ụmụnna, ogbe maọbụ obodo ahụ nọ n' ebe ahụ. Ihe o ji abụ onye dị otu a bụna a na-ewere ya ka onye kachasị nọdebe ndịichie nso. Niihi ya, ihe ọbụla o kpebiri ga-adị ndị dị ndụ na ndị anwụrụ anwụ mma.

Mmaduabuchi kwukwara nausoro ọzọ bụ na nna nwa na-ebu uzọ wee baa aha, e mechaa, nne nwa abaa aha nke ya ebe ndị ọgọ, ikwu na ibe ga-esochi anya n'ịba aha nke ha. Nke a na-eme na ọtụtụ oge, otu onye nwere ike nwere ọtụtụ aha kama ọ bụzị nke a na-akpọkarị onye ahụna-anara ya aha nke ndị mmadụ ji amata onye ahụ. Ọ sịrị na mgbe a bachara nwa aha, ndị mmadụ amalitezie inye ya onyinye ihe e ji ebi ndụ nke e kwuru na nwata na-eji ya mere ihe mgbe o mere okenye. Nke a bụ emume nnabata makana e ji ya anabatanwata n'otu ndị dị ndụna ndị nwụrụ anwụ na ngwuru ahụ. Emume Ịgụ nwata aha ka dịkwa mma ruo taa, ebe ọbụla ndị Igbonọ ha kwesiri izipụta omenaala ịgụ aha ka ndị agbabataobi ha na ndị enyi ha mara na ha anaghị agụ aha makana ha nụrụ aha ahụ, kama nao nwere ihe mere na ndụ ha nke kpalitere mụọ ha, ha ji agụ nwata aha.

**Ipu/Ịhụ eze nwata**

Nwuko kwuru naihe kwesiri ekwesị atụrụ anya n'ebe nwata nọ bụ na ọ ga-ebu ụzọ puo eze ala tupu ọ kwụba ọtọ (elo) maọbụ gaba ije. Mgbe nwata na-achọ ipu eze, ọ ga-eburịrị ụzọ pụọ eze ala tupu o puo eze elu.Nwuko sịrị nanwata ga-agbasorịrị usoro esi eme ihe n'ime nke a, nwata ọbụla agbasoghị usoro a na-adaba n'ọnwụ ma ọ bụ n'ajọ ọhịa dị nso. Site n'imebi usoro mmebe ihe a, a na-ewere na nwata dị otu ahụmere arụ. A na-ewere nwata ọbụla bu ụzọ pụọ eze tupu o mewe ihe ndị ọzọ o kwesiri ime dịka onyinye naabụghị abụm ọnụ nyere ndị be ha. A na-agba mbọ meere nwata ahụ emume a otu o kwesiri nke a kpọrọịhụ nwata eze. Emume a bụ emume nnabata niihi na e werela ya ka mmadụ zuru oke maka eze o puru, ọ bụkwazị nwata puru eze ka a na-akwa ma ọ nwụọ, ya bụ onye puru eze abụrụla mmadụ.

Nwokoma n'aka nke ya kọwara naipu eze bụ emume nnabata n'ụwa dịka mmadụ zuru ezu ma dịkwa mma ndụ. Emume a bụ nke nwata na-eme, n'ezie, nwata emeghị emume a,(ya bụ ipu eze), nwụọ, a naghị ebere ya akwa n'obodo Ọgwụ nakwa mpaghara Ọmambala. Ipu eze gosiri na nwata abụrụla mmadụ. Ndịnne na nna na-enwe nnukwu mmasị na nwa ha ipu eze izizi. Ọ na-abụnnsukwu ihe n'ebe ọha obodo nọ n'oge ochie bụ nwata ipu eze n'usoro kwesiri ekwesi. Ndụnwata dabere na ya niihi na e nwere usoro e si epu eze. Ọ bụrụ na nwata bụrụ ụzọ puo eze ala, ọ bụrụ ihe aṅụrị ma ọ bụrụ na o bu ụzọ puo eze elu, ụzụ akwa atụọ n'ezinaụlọ a mụrụ nwa ahụ niihi na nchekwube ya n'elu ụwa dị ka nke ejima. Ọ bụ nke a mere na nwata puo eze, onye bu ụzọ hụ eze ya na-enye ya ego makana ọ bụ nnukwu ihe ọṅụ n'oge ochie bụ nwata ipu eze n'usoro o kwesiri.

**Mmemme ịhụ nwata eze**

Ọ bụ nne nwata na-emere ya emume a site n'ịzụtara ya ụmụ obere ihe n'ahịa dị ka akara,ọpapa, unere, azụ,ọkpa, dg. Ogbalu (2006) kọwara na emumea bụ iji inye chineke ekele na nwata epuola eze n'usoro o kwesiri. Niihi ya ọ bụ onye bu ụzọ hụeze snwata ga-anọ n'isi emume a ma nyekwa nwata ahụ onyinye mara abụba ebe nne nwata ga-ahụ maka ihe a ga-eri n'emume a.

Uzoenu mere ka a matasna a na-azụta ihe ndị a n'ahịa ma zikwaa ọtụtụ ụmụaka ka ha bịa n'oge mgbede. Mgbe ụfọdụ, ụmụaka ndị a na nne ha na-eso abịa. Nne nwata pụrụ eze ọhụrụ na-sewepụta ihe ndị a ọ zụrụ n'ahịa wee kasaa ụmụaka ka ha rie ma soro ya ṅụrịa niihi na nwa ya pụrụ eze otu o si kwesi.N'ikpeazu, a na-enye nwata ahụ onyinye dị iche iche iji gosipụta obi aṅụrị n'ihe nwata metere mma. Ụfọdụ na-enyekwa nwata ọkụkọ maọbụ ego,ọ bụ ya mere e ji sị na"a naghị agba aka ahụ nwata eze".

Emume a bụ emume nnabata ma bụrụkwa emume nkewa niihina a na-anabata nwata n'otu ndị ghọrọla mmadụ na ndụ a, ma kewapụ ya n'otu ndị agaghị ebere akwa ma ha nwụọ. N' oge ugbu a, anya onye ọbụla emepela site n'agụmakwụkwọ, e were chọpụta na ọ dịghị nwata n'aka ikwu eze nke ọ ga-ebu ụzọ puo, ya mere na emumu a adịghịzị uru ọ bara. Ihe nke a pụtara dị ka atụtụ ngosị ọrụ Durkhiem kwuru bụ na e kwesịrị ịkwụsị ya. Emume a akwụsịla kamgbe n'obodo Ọgwụ.

**Ịkpụ isi mburupụtaụwa**

Nwokolo kwuru naịkpụ na ili isi mburupụta ụwa dị nnukwu mkpa n'omenaala Igbo ọ kachasị n'oge ochie.Ọ sịrị n' ụfọdụ ebe, ịkpụ isi mburupụta ụwa na-abụ n'otu izu e jiri mụọ nwa. Ebe ụfọdụ ọ na abụ n'otu ọnwa, ọnwa isii maọbụ otu afọ dị ka n'obodo Ọgwụ. Ọtụtụ oge,ndị nne na nna na-akpụ nwa ha isi ma chekwaba ya ma ọ bụrụ na ha ebighị nso n'obodo ha. Ọ na-abụ mmemme bụ iwelata ntutu a kpụchapụtara lie ya ka e si eli otubo maọbụ odogwu n'obodo ha. Isi mburupụta ụwa so na ihe e ji akwado nwaanyị ịkpata akụ sitena ili ya, nke a mere ndị nne ji eweta ya welaa ya ụlọ. ịhọta osisi a ga-eli ntutu a n'ukwu ya sitere n'omume nwaanyị mụrụ nwa ahụ. Ọ bụrụ na ya na nna di ya adịchaghị na mma, e nye ya osisi akpaghị ahụ. Mana ọ bụrụna ọ na-eleta nna di ya anya nke ọma, esgosi ya osisi ndụ jụrụ ahụ.

Ụfọdụ osisi akụ a nwere aha obodo dị iche iche na-akpọ ya, ima atụ, Ogidi na-akpọ ya nkwụ ala, ube ala, ebe isi, ube ntutu, ndị Ọgwụ na-akpọ ya nkwụ elọ, ụkwa elọ dg. N'ọtụtụ obodo, nne ochie nwata ahụ na-aghọrọ mkpụrụosisi a ruo n'ọnwụ ya. Ọ bụ naanị oge ọ nwụrụ ka nne mụrụ ya ga-enwe ike ịghọrọ mkpụrụosisi ahụ. Mana n'Ọgwụ, ọ bụ nne mụrụ nwa na-aghọrọ mkpụrụ ndị a.

Nke a bụ emume nnabata na emume nkewa. Ịkpụ isi mburupụta ụwa na-egosi nkewa dị n'etiti nwata ahụ n'ebe o siri pụta ụwa.Igbo kwenyere naoge ahụ nwata ahụ bu ntutu ya, na nwa ahụ na ndị otu ya na-enwe mmekọrịta. Ọ bụ ya mere nasoge ụfọdụ, a hụ nwata ka ọ na-eperị ọchị maọbụ akwa akwa abe naanịya dina ala. Ya mere na mgbe ọbụla akpụchapụrụ ya isi mburupụta ụwa,e wetala nkewa na mmekọrịta dị otu ahụ.A bịa n'Eluama dị n'Okigwe, a na-akpọ ya abọ ule, n'Ọka ihe ọ bụ abunyila. Nke a bụ emume nnabata niihi na a nabatara nwata ahụ n'otu ndị mmadụ dị ndụ.

Dị ka Durkhiem kwurula na ọ bụrụ na ihe arụghịzị ọrụ a tụrụ anya n'aka ya, a ga-ewepụ ihe ahụ n'ọha obodo ahụ. Nke a mere na ebe ọ bụ na ịkpụ isi mburupụta ụwa anaghịkwa adọtara nwata osisi na-amị ego makana omenaala a so na nke ndị ụka kagburu na ọ dịghị mma, ọ nwụọla, o nwekwaghị ihe ọ na-arụ.

## Nchịkọta

Dị ka anyị hụrụla na ndị Igbo ejighịzị ọrụ ugbo were mere isi ebe ha si achụta ihe ha ji enyere ndụ aka, nke mere ka ha leghara emume ngabiga ụmụaka anya, ọ dị mkpa na ndị nne na nna kọwaara ụmụ ha maka emume ndị a ka ha were mara na ọ bụ omenaala ha na o nweghị ajọ ihe maọbụ ịgwọ ọgwụ dị na ha. Ya mere na nchọcha a na-atụ aro ka ndị Igbo na-emepụta ejije na Nọlịwuud nakwa ndị na-akụ egwu dị ka Flavour, Phyno na Psquare na-ewebata emume ndị a n'egwu ha na-eti, nke a ga- enye aka ime ka ụmụafọ Igbo na-amata maka omenaala ha. Na nchịkọta, ọ dị mkpa ka ụmụafọ Igbo niile nabata ma lọghachi azụ n'ime omenaala ha ọkachasị ndị dị mma dị ka emume a, n'ihi na onye omenaala ya furu, onye ahụ esfuola kpam kpam. Omenaala ndị nke abaghịzị uru dị ka ini otubo na ịkpụ isi mburupụtaụwa kwesịrị ka a kwụsị ha, ọ kachasị emume ịhụ nwata eze nke na-ebute itufu nwata.

## Edensibịa


Achebe, C. (1958). *Things fall apart*. Heinemann.

Bali, D.R. (1997). *Introduction to philosophy.s* Sterling Publishers.

Basden, G .T (1921).*Among the Igbos of Nigeria*. Francass.

Coser, L. (1977).*Continuities in the study of social conflict.* Free Press.

Durkheim, E. (1964). *The division of labour in society*. Free Press.

Mbaegbu, C. C. (2012). *Hermeneutics of God in Igbo ontology*. Fab Educational Books.

Mbiti, J.S (1969). *African religions and philosophy.* Heinemann.

Nwala, U. (1985). *Igbo Philosophy.* Lantern

Ogbalu, F.C. (1979). *The book of Igbo customs.*Varsity Press.

Ogbalu, F.C. (2006). *Igbo institutions and customs.*Varsity Press.

Ubesie, T. U. (1987). *Ọdịnala Ndị Igbo.*University Press

**MGBAKWUNYE: Ndị a gbara ajụjụ ọnụ**

| Aha | Afọ ole ony gbara | Ọrụ ha | Obodo ha | Oge a gbara Ajụjụ |
|---|---|---|---|---|
| Uzumma Ali | Iri isii na ise | Ote nkwụ | Ohaja Ọgwụ | 2/3/2023 |
| Ekedimma Uka | Iri ise na abụọ | Ọkwanka | Ogboli Ọgwụ | 2/3/2023 |
| UgwoeviNwedu | Iri isii | Ọma Mbem | OlikwuỌgwụ | 13/3 2023 |
| Ejileka Okolie | Iri asaa na itolu | Ọrụ ugbo | Uhuegu Ọgwụ | 13/3/2023 |
| Nkalele Oti | Iri atọ | Onye nkuzi | Obuovia Ọgwụ | 16/3/2023 |
| ChihanwaNwafor | Iri anọ na isii | Onye ọrụ Bekee | Onoli Ọgwụ | 16/3/2023 |
| Oyibo Ojidi | Iri asatọ na isii | Dibịa Mgbọrọgwụ | Olocha Ọgwụ | 18/3/2023 |
| Nwangelike Ugwa | Iri isii na otu | O ji ego achụ ego | ObugoỌgwụ | 18/3/2023 |
| Nweke Chukwuogele | Asaa na ise | Ọrụ ugbo | UluloỌgwụ | 18/3/2023 |
| Nwiino Uche | Iri ise | O ji ego achụ ego | Ezioha Ọgwụ | 23/3/2023 |
| EbuteOzo | Iri asaa na ise | Onye lara izu ike | Ibite Ọgwụ | 23/3/2023 |
| Mmaduabuchi Ndu | Iri ise na ise | Dibịa Bekee | Amaokwe | 28/3/2023 |
| Nwokoma Utamdi | Iri asaa na otu | Ọka ugwu | Ogboli Ọgwụ | 28/3 2023 |